# Nsirikwụrụ Obibi Ndụ Ndị Mmadụ Oge Agha: Nzipụta Ya N'iduuazị Ụfọdụ

**Obiageli T. Nsolibe & Lynda C. Ononye**

Ngalaba Linguistics/Igbo
Mahadum Chukwuemeka Odumegwu Ojukwu Ke Igbariam

**Ụmịedemede**

Nchọcha a nke isiokwu ya bụ Nsirikwụrụ Obibi Ndụ Ndị Mmadụ Oge Agha: Nzipụta ya n'Iduuazị Ụfọdụ. Agha bụ ọnọdụ enweghị udo na ndụ. Nke a bụ eziokwu n'ihi na agha abụghị ihe mmadụ kwesịrị ịhụ n'anya ma ya fọdụkwa iso nụ agha. Nwanchọcha nwere mkpali mmụọ ime nchọcha n'isi okwu a ka o mee ka a mata tụmadị ndị ahụbeghị agha ọtụtụ nsogbu so agha dị ka oke agụụ, ụkọ, igbusịsị mmadụ na nsogbu ndị ọzọ. Ihe ndị a ka ọ chọrọ ịgba n'anwụ ka ndị mmadụ zeere agha maka na ọgụ bụ ọnwụ. Mbunuche nchọcha a bụ ịchọpụta ihe agha na-emegasị n'obibi ndụ ndị mmadụ. Nwanchọcha chọpụtara na agha bụ ihe jọgburu onwe ya n'obibi ndụ ndị mmadụ nke na-eweta ọtụtụ nsogbu dị iche iche dị ka ọ dị n'iduuazị ndị a bụ *Isi akwụ dara n'ala* na *Jụọ Obinna* nke Ubesie T. U. dere. Ọ chọpụtakwara na agha na-ebute ọnwụ, ntisa, esemokwu, agụụ, ọrịa na ọtụtụ ihe ndị ọzọ n'ezinụụlọ dị iche iche nakwa n'obodo. Nwanchọcha na-atụnye alo ka e lebanye anya n'ọtụtụ ihe ndị ahụ na-ebute agha ma mee ihe ndị a ka ha kwụsị ka udo wee dị.

## Ndubanye

Agha bụ ọnọdụ ịlụ ọgụ n'etiti mba na ibe ya, obodo na obodo, otu na otu ma ọ bụ ndị mmadụ na ibe ha nke nwere ike ịkpalite ịwụfu ọbara ma ọ bụ imebi akụnaụba ndị mmadụ. Ọ bụ ọnọdụ jọgburu

onwe ya ma e lebaga anya ka ihe si kwụrụ oge ahụ nke na-eweta enweghị udo n'etiti obodo na obodo, mba na mba, otu na otu ma ọ bụ ndị mmadụ na ibe ha.

Mkpokọta ihe bụ agha bụ ịlụ ọgụ nke nwere ebumnobi na nke na-eweta ịtufu akụnaụba na ịla ndụ n'iyi na ntaramahụhụ dị iche iche dị ka ọ dị n'agha Bịafra na Naịjirịa nke bidoro n'afọ 1967 ruo 1970. Ihe ndị na-ebute agha gụnyere ndị a: Ndị kwe na ndị ekweghị, mkpasu iwe dị ka igbu mmadụ na-enweghị ezi ihe kpatara ya abụghị akpọmasị, ịnara ndị mmadụ ihe ha n'ike na itikpọsị ụlọ obibi, ụlọ ahịa ndị mmadụ. Agha mere ka ọtụtụ ndị mmadụ si n'obodo ha laa obodo ọzọ birizie dị ka be ha. Ịma atụ: n'afọ 1933 akụkọ ala gosiri na, agha mere ka ụfọdụ ndị Awka Nọọtụ laa Ayamelum birizie ebe ahụ dị ka be ha taa.

Akụkọ kọwara na senchụrị nke iri na isii (16AD), ọ bụ n'ihi ikuku agha kuru oge ahụ mere ka ọtụtụ ndị Benin si obodo ha laa ala Ọnịcha birizie dị ka be ha rue taa. Nke a bụ n'ihi kepukepu agha a na-anụ n'oge ahụ nke n'ekweghị nkwụsị n'ihi njem ndị ụka Alakụba mere na Nọọtụ Afrịka. Nke a pụtara na agha abụghị ihe mmadụ kwesịrị ịnụ na ntị ma ya fọdụkwa ịhụ n'anya. N'oge agha, ọtụtụ ndị mmadụ ka ekpochapụrụ ezinụụlọ ha.

Akụkọ kọrọ na obodo Otuọcha, Agụleri na Ụmụleri bidoro agha n'afọ 1933 mgbe ndị Agụleri kpụgara ndị Ụmụleri n'ụlọ ikpe nke mechara ghọ ha ahịa. N'afọ 1964, ndị Ụmụleri kpụgakwara ndị "Anambra Community Council" ụlọ ikpe maka na ha mere Otuọcha isi obodo abụọ. N'ime ọgbaaghara a, ọtụtụ ndị mmadụ nakwa akụnaụba ha ka a lara n'iyi.

N'afọ 1995 ndị Ụmụleri wakporo ndị Agụleri, mebie ọtụtụ ihe ha nke mere na ọtụtụ ndị mmadụ tụfuru ndụ ha. Akụkọ kọrọ na agha ahụ dị oke egwu nke mere na obodo ndị a anaghị eje n'akwa ndina ma ọ bụrụ na ha ejighị ngwa ọgụ ha. Ọtụtụ ndị mmadụ gbagara obodo ọzọ, ọtụtụ ezinụụlọ zoro ụmụ ha nakwa nwunye ha. Obodo

abụọ a anaghị amụnye ọkụ ma ọ bụ ime ka anwụrụ ọkụ pụọ n'ụlọ ha. Nke a butere oke ụganị na ọnwụ maka na egwu anaghị ekwe obodo abụọ ndị a apụta. Ọ bụ n'ime ọchịchị onyeisiala anyị bụ Obasanjo ka e wetara ya bụ ọgbaaghara n'isi njedebe mgbe ọ kpọkuru ndị isi ọchịchị obodo abụọ ndị a.

N'obodo Ezza na Effium, agha dapụtara n'obodo abụọ a n'ime afọ 2022. N'obodo Ezza, ndị mmadụ e gburu ebe ahụ karịrị iri abụọ na isii (26) ebe ụlọ ndị e mebiri ruru iri na asaa (17). N'obodo Izzi, e gburu mmadụ asatọ gbaa ọtụtụ ụlọ karịrị iri na asaa ọkụ ma ụgbọala. Ha malitere mwakpo a n'elekere isii nke ụtụtụ megide ya ruo elekere abụọ nke ehihie tupu ndị agha Naịjiriạ na-erute, ha alaala. N'ihi nke a, e gbuola ọtụtụ ndị mmadụ ma mebie ngwongwo ruru ọtụtụ nde naịra. Ọtụtụ n'ime ndị obodo a bụ ndị gbapụrụ n'obodo ha ma gaa biri n'obodo ọzọ.

**Agha**

Gandhi (1999) kọwara agha dị ka mkpagbu ndị dị iche iche na-ebute n'ihi mgbanwe ọchịchị, ọgba aghara, ma ọ bụ ọchịchọ inweta ihe onwunwe nke ndị ọzọ. Ọ na-adịkarị n'etiti mba abụọ ma ọ bụ karịa, ma ọ bụ n'etiti òtù dị n'ime otu mba. Agha bụ ihe nke na-ebute ọnwụ, mmerụ ahụ, mbibi, na nsogbu mba ma ọ bụ obodo. Ọtụtụ mgbe agha na-abụ n'ihi ọchịchọ ịchị ọchịchị ma ọ bụ nwetakwuo ike. Dị ka Mahatma Gandhi kwuru, agha na-abụkarị n'ihi nghọta na-ezighị ezi, ọchịchọ aghụghọ maka ike, ma ọ bụ ịgba aka mgba na enweghị udo. Dị ka Richard (2003) si gosipụta, ọ sị na agha bụ nsogbu nke isii n'ime iri bukarịsịrị ibu n'ihe chere mmadụ aka n'iru n'afọ iri ise na-abịa. Ọ bụrụ na agha adịghị, a naghị enwe udo n'etiti obodo na obodo, mba na mba ma ọ bụ ezinụụlọ na ibe ha dị ka ihe si gbata kwụrụ. Ịlụ agha gbadoro ụkwụ n'omume ọjọọ ma ọ bụ ọtụtụ akparamaagwa adịghị mma a na-ahụ n'akụkụ niile ma ọ bụ n'ụdị dị iche iche n'etiti ndị mmadụ.

**Nnyocha edemede nchọpụta**

Nnyocha edemede nchọpụta bụ ụzọ nwanchọcha si akpachapụ anya nke ọma wee nyochaa ma chịkọta ihe emegoro ma ọ bụ ọrụ ndị a rụgoro banyere isiokwu ahụ ọ na-eme nchọcha banyere ya. Nnyocha nchọcha e merela ma ọ bụ nchọpụta ndị metụtara isiokwu nwanchọcha na-eme nchọcha banyere ya bụ ndị a na-esota.

Obuka, Odoh na Ekwemba (2021) mere nchọcha ha n'isiokwu a bụ "Agha na ndụ ndị Igbo: Nzipụta ha n'agụmagụ ndị a họọrọ." Mbunuche nchọcha ha bụ ịchọpụta ihe agha nwere ike ime n'obibi ndụ ndị mmadụ. Ha ji dizaịnụ kenkọwa wee mee nchọcha ha. Ndịnchọcha a chọpụtara na agha wetara ọtụtụ ọghọm n'obibi ndụ ndị mmadụ n'ihi na agha na-eme ka mmadụ ọbụla nọrọ na nhụju anya na egwu mgbe ọbụla. Ha chọpụtakwara na o mere ka ọtụtụ ndị mmadụ rịa ọrịa dị iche iche n'ihi na ha ahụghị nri.

Nnọruka, Nwankwo na Okechukwu (2009) mere nchọcha ha n'isiokwu a bụ "Nzipụta agha dị ka ọ dị n'iduuazị ndị a họọrọ." Ebumnuche nchọcha ha bụ ịchọpụta etu ndị odee ndị a siri zipụta agha n'edemede ha. Ha chọpụtara na ndị odee ndị a zipụtara agha n'akwụkwọ iduuazị ha dị iche iche n'ụzọ ndị a: agha abụghị ihe mmadụ kwesịrị iche n'echiche ma ya fọdụkwa ịnọ na-ahụ ya anya, ọ na-eme ka obodo na obodo ghara ịdị n'udo. O mekwara ka ụfọdụ ụmụnwaanyị gbara aka di n'ihi na e gburu di ha n'ihu agha, ụfọdụ ụmụnwoke bụkwazị ndị nwoke ibe ha naara nwunye ha n'ike, agha bụkwa ọghọm nye onye ọbụla ma nwoke, nwaanyị nakwa ụmụaka.

**Ka agha siri metụta obibi ndụ ndị mmadụ**

N'oge agha, nsirikwụrụ n'obibi ndụ mere ụfọdụ ndị mmadụ amaghị ihe bụ nsọala ma ọ bụ ihe kwesịrị ka ha na-eme n'ihi na ha ejirila maka nri ma ọ bụ ihe ọzọ na-akpa ha chefuo ezinụụlọ ha tụmadị ụmụaka ha. Ụfọdụ arụghịkwa ihe ha kwesịrị ka ha rụọ n'ihi na ụjọ mere ka ha na-ezogharị ma ọ bụ hapụ ihe ha kwesịrị ịrụ tutu rue

mgbe ọgụ biri. N'oge agha, ọtụtụ bụ ndị nwụrụ anwụ n'ihi ihe ụkọ tụmadị nri na nnu nke butere ọtụtụ ọrịa dị iche iche dị ka kwashịọkọ na ọrịa ndị ọzọ. O mere ka ọtụtụ ụmụnwaanyị bụrụ ajadu n'ihi na e gburu di ha n'ihu agha.

Ihe agha na-eweta n'obibi ndụ ndị mmadụ bụ e cheta e bewe. Ọtụtụ ndị nne, nna na ụmụaka bụ ndị agha metụtara n'ụzọ dị iche iche. Ụfọdụ ka ụda bọmbụ ma ọ bụ sheel na-adachi ntị. Ụfọdụ bụ ndị na-anaghị enwezị aka, ụkwụ, anya ma ọ bụ otu n'ime akụkụ ahụ ha, ebe ndị ọzọ bụ ndị na-anwụ anwụ. Agha na-eweta ọgbaaghara, nsogbu, oke egwu, oke agụụ, ịnapụ mmadụ ihe ya ma ọ bụ ndụ ya n'ike. Agha wetara ọtụtụ ihe mgbagwoju anya nke mere na ụfọdụ na-anọkwazị na-ele ndị nke ha hụrụ n'anya ha nwụnyụọ anya ma ọ bụ jiri aka ha gbuo onwe ha. Ọtụtụ ihe e ji enyere ndụ aka dị ka ụlọ ụka, ụlọ ikpe, ụlọ akwụkwọ, ụlọ ebe obibi ndị mmadụ, ụlọ akụnaụba, ụlọ nchekwaba ahụike bụ ihe a na-alasị n'iyi.

Ọtụtụ ndị mmadụ ka a naara ihe n'ike dị ka nwunye ha, ụmụ ha, ụgbọala ha, ego ha na ọtụtụ ihe ndị ọzọ ha ji enyere ndụ aka n'oge agha. Ọnọdụ ndị mmadụ na-ahụta onwe ha n'oge agha bụ ihe na-agba anya mmiri nke mere na agha abụghị ezigbo ihe. Ụmụaka anaghị enwezịkwa ntụkwasịobi n'ebe nne na nna ha nọ n'ihi na ha amaghị ihe echi ga-ewetara ha. Ọtụtụ mgbe ka a na-eme ụmụnwaanyị ihe akaje site n'ịdakpo ha ma ọ bụ ịkwasa ha iko na nzuzo n'oge agha.

N'eziokwu agha abụghị ihe mmadụ kwesịrị ịnụ na ntị ma ọ bụ na-arọ nrọ ya ma ya fọdụzịa ikwu n'ọnụ n'ihi na o na-eme ka ọtụtụ ndị si obodo ha gbapụ ma gbalaa obodo ọzọ birizie ebe ahụ dị ka be ha. O na-ewetakwa ọtụtụ mbibi na ịla n'iyi na ndụ ndị mmadụ. Nwanchọcha mere nchọcha ka ihe siri kwụrụ oge agha dị ka o si dị n'akwụkwọ ndị a họọrọ. O lebara anya na nsirikwụrụ ndị ahụ n'usoro ndị a:

i. **Oke ịta ahụhụ:** N'akwụkwọ iduuazị *Isi akwụ dara n'ala*, agha mere ka Chike taa ezigbo ahụhụ site n'ihe ọ gabigara. E mere ya ọtụtụ akaje dị iche iche oge ọ na-agbagharị na-achọ ihe oriri ya na ezinụụlọ ya ga-eri. Ndị amị tiri ya ihe dị ka ọ dị n'ihu akwụkwọ iri isii na abụọ, ebe a sị:

> Chike titere isi ya, tiba n'ogige ahụ, ndị uwe ojii ndị agha nọ ebe ahụ na-akpọ ya, ma ọ dịghị onye o ghere ọnụ. Otu n'ime ha chụkwudoro ya ebe ọ na-aga, jụọ ya onye ọ na-achọ. Tupu ọ saghee ọnụ saa ya ajụjụ, ọ sụọlarị ya egbe n'ubu. Tupu ọ na-etipu mkpu, ọ kụtuola ya n'ala, na-agba ya ụkwụ n'isi. Ka ọ na-achọ ka o si n'ala bilie, ndị uwe ojii ndị agha nọ ebe ahụ abịala gbaa ya gburugburu na-eti ya ihe (ihu 62).

Agha na-ebute oke ụnwụ n'ihi na ọtụtụ ndị mmadụ kọrọ ihe n'ugbo na-ahapụ ihe ha kọrọ gbapụ. Ọtụtụ mgbe ihe ndị ahụ alaa n'iyi n'ihi na o nweghị ndị na-echukwa ihe ndị ahụ. Ụfọdụ ihe ndị ahụ na-atala n'ala maka enweghị ndị ga-ewe ha dị ka ihe ubi.
Agha mere ka Chike bụ onye nwere akụnaụba ma na-emekwa nke ọma bụrụzie onye na-arịọ nri ya na ezinụụlọ ya ga-eri iji gbanahụ agụụ maka na agha mere na onye bubu ọgaranya bụzị ogbenye.

N'iduuazị *Jụọ Obinna*, agha mere ka Obinna na-ezogharị ka ndị amị ghara ijide ya ka o soro ha gaa n'ihu ọgụ maka na nwoke ọbụla ahụ zuru oke kwesịrị ịga soro lụọ ọgụ n'ọgbọ ọgụ n'ihi enwezughị ndị agha. E jide ha, a na-akpụga ha ebe a na-enye ha ọzụzụ kwam kwam dị ka ihe si gbata kwụrụ. Ma ha mechara jide Obinna ma were ụtarị pịapụchaa ya ọbara n'ahụ dị ka ọ dị n'ihu akwụkwọ nke iri ise na atọ ebe a sị, "Mgbe e techara Obinna ọgwụ n'ebe e ji ụtarị pịapụchaa ya ọbara n'ahụ, n'ebe ọ tụrụ anya ka a kpọga ya bụ n'ebe a na-azụ ndị soja. (ihu 53)".

N'oge agha Bịafra na Naịjirịa, ọtụtụ ụmụ nwaanyị hapụrụ di ha na ụmụ ha soro ndị enyi ha nwoke gawa obodo dị iche iche nsogbu na ọsọ agha bugara ha. Ọnọdụ dị otu a mekwara ka ụmụ nwaanyị bụrụ ndị na-amụsa ụmụ ebe dị iche iche n'ihi na ka ha so ụmụ nwoke ndị a, ka ha na-amụrụ ha nwa. Nke a mere ka ụmụaka ha hapụụrụ di ha na-ata ahụhụ n'ihi na di ha agaghị enwe ike ilekọta ụmụaka ndị ahụ anya nke ọma ebe ha ga na-ezogharị onwe ha ka a ghara ịgụnye ha na ndị ga-eje n'ihu ọgụ. Ụfọdụ ụmụ nwaanyị oge agha dị ka ihe si kwụrụ rụrụ ọrụ di bi ụlọ n'ihi na ọ bụ ha nwere ohere ịzụ ahịa nke a kpọrọ "Ahịa Ataakị" ka ha were chọta ihe ezinụụlọ ha ga-eri. Ada nwunye Chike zụrụ ụdị ahịa ataakị dị ka odee *Isi akwụ dara n'ala* zipụtara ebe a ọ sị: "Ada na-esite n'aka ndị na-azụ ahịa ataakị na-azụta nnu, na-esikwa n'aka ndị na-eke ihe enyemaka (ihu 68)."

ii. **Ị na-eke nkwụcha:** Nsirikwụrụ oge agha bụ ihe na-eweta ọnọdụ enweghị udo, ịtụ ụjọ na obi erughị ala na ndụ ndị mmadụ. Nke a bụ eziokwu n'ihi na agha na-eme ka mmadụ ọbụla nọrọ n'ike nkwụcha. Ọ na-eme ka mmadụ nọrọ na njikere ịma ebe ọ ga-eche ihu wee gbawa ọsọ n'ihi na a maghị ebe ụda egbe ma ọ bụ ogbunigwe ga-esi bido bịawa ma ọ bụ dawa. A naghịkwa ama mgbe ụgbọelu na-atụ bọmbụ ji abịa. N'eziokwu, agha bụ ihe jọgburu onwe ya n'ihi na mgbe a na-agba ọsọ, ọtụtụ na-agbaghara ụmụ ha ndị na-enweghị ike ịgba ọsọ mana ndị nne na-ejisi ike achọ ụmụ ha maka ọkụkọ chị ụmụ anaghị agba ọsọ eleghị anya n'azụ dị ka odee zipụtara n'akwụkwọ iduuazị *Isi akwụ dara n'ala* ebe ọ sị: "Naanị ihe a na-anụ bụ ebe ụmụ nwaanyị na-eti mkpu, na-achọ ụmụ ha. Ndị okokporo adịghị onye ha na-ajụ ase ya (ihu 23)."

iii. **Mmadụ adịzighị ka ọ na-adị:** Nsirikwụrụ n'oge agha mere ka Chike ghara ịdị ka ọ na-adị n'iduuazị *Isi akwụ dara n'ala*. Tupu a lụwa agha, Chike bụ aka ji akụ. Oge ahụ Ada nwunye ya na-

eri akụ Chike ma kwerekwa na ọ na-eri ya. Mgbe agha bidoro, ha gbahapụrụ ihe niile ha nwere n'Enugwu n'ihi na a maghị etu ha ga-esi bu ihe ndị ahụ niile dị ka a hụtara n'ọmụmaatụ:

> Chike bara n'ime ụlọ be ya, lewe akụ niile ọ kpara anya. Ọ maghị ma ọ bụ uwe ya ka ọ ga-achịrị, hapụ ihe ndị ọzọ. Ọ maghị ma ọ bụ ụdị oche dara ọnụ o nwere na be ya ka ọ ga-ebuwe, hapụ ihe ndị ọzọ. Ụwa gwụrụ ya ike, ihe niile gbagwojuru ya anya (ihu 23).

Agha mere ka Chike ghara ịdị etu ọ na-adị n'ihi na ihe niile o jiri bụrụ ọgaranya ka ọ hapụrụ n'Enugwu were gbaa ọsọ agha. Ọ bụghị naanị na Chike enwezịghị ego, nwunye ya bụ Ada na-akpọbata ndị enyi ya nwoke n'ime ụlọ ha dị ka odee zipụtara ya sị:

> Ụbọchị Chike ji chọọ ịkwụ ụdọ bụ ụbọchị ndị soja abụọ chọọrọ Ada bịa, kwụwa moto ha n'ezi, bịa jụọ Chike ma Ada ọ nọ ya. Chike jụrụ ha ndị ha bụ ma ọ dịghị nke tụpụụrụ ya ọnụ, hapụ ya n'ezi ebe ahụ, bakwuru Ada n'ụlọ (ihu 80)

Ọ bụrụ mgbe ihe esighịrị ya ike, Ada agaghị akasido ya anya kpọbata nwoke na be ya. Mgbe nke a mechara, Ada kwaara ngwongwo ya gaa biri n'Agụata. Ka agụụ gụkatara Chike na ụmụ ya, ọ gawara Agụata ka ọ mara ma o nwere ihe nwunye ya bụ Ada ga-enye ha. Mgbe ọ batara be Ada ọ bụrụ na o siri osikapa, ọ gwara ya ka o tinyere ya ihe oriri. Ka ihe siri kwụrụ, Chike na-arịọzị Ada nwunye ya ka o nyetụ ya nri ka o rie. Ka Ada si nye di ya nri ahụ na mkparị so ya. Lee ka pdee si tinye ya:

> Ada wee dọwara ya ihe oriri ahụ, nye ya ngaji, Chike wee jiri anya ọnwụ sodo ihe oriri ahụ. O were ngaji kpagharịa anụ Ada kunyeere ya, hụ na ọ bụ ọkpa ọkụkọ na-azọ n'ala ka o kunyeere ya. Ọ chọrọ ka ọ sị ya, Ada bịa bukọrọ ihe oriri ahụ niile. O wee gbachie

> nkịtị riwe osikapa n'ihi na o nwere ike ịnọrọ ebe ọ na-achọ ihe ukwu, nke nta akwaa ya (ihu 125).

iv. **Ndị mmadụ enwezịghị ebe obibi:** Dị ka e gosiri n'iduuazị *Isi akwụ dara n'ala,* Chike na ezinụụlọ ya siri Enugwu ebe ha bi wee gbapụ ọsọ agha larute be ha bụ Ọka. O wuru ụlọ n'obodo ha bụ Ọka. Nke a mere ka ha hụ ụlọ ha kwabara n'agbanyeghị na ndị amị bi na be ya. Mana mgbe agha batara obodo ya bụ Ọka, ha sikwa obodo ha gbapụ gbagazịa ebe ọzọ ha enweghị ụlọ nke mere ka Chike na-awagharị ebe niile n'enwetanwụghị ebe ha ga-ebi. O jekwuuru otu nwoke ma gwa ya ka o nyetụ ya na ezinụụlọ ya otu ọnụ ụlọ ebe ha ga-ebi dị ka ọ dị n'akwụkwọ e ji eme nchọcha a bụ *Isi akwụ dara n'ala*. Lee la odee si tinye ya:

> O wee wetuo olu ala kọwara nwoke ahụ ka ya si gbara ọsọ ndụ si Awka bịa ebe a, ma ọ dịghị ebe ya nwere ya na ndị be ya ga-ebi. Ka o kwuchara, nwoke ahụ wee kwaa ụkwara, kọọ ọkọ n'isi. 'Ehem'! ma gwa ya na ọ dịghị ọnụ ụlọ fọdụrụ na be ya nke ya ga-enye ya (ihu 51).

Ọtụtụ ụlọ ebe obibi ndị mmadụ ka ụgbọelu na-atụnye bọmbụ na ya, mebisie ya ma gbukwaa ndị bi n'ime ya ma ọ bụrụ na ha agbapụghị tupu ụgbọelu agha ndị ahụ eruo ha ahụ. Ọtụtụ ezinaụlọ bụ n'ogige ụlọ akwụkwọ ka ha kwabachara ngwongwo ha ma na-arahụ ebe ahụ di ka odee zipụtara ya sị:

> O wee jeruo ebe ndị be ya nọ sị ha baa na moto. O wee buru ha jewe n'ebe a na-edewe ndị gbatara ọsọ ndụ n'otu ụlọ akwụkwọ dị ebe ahụ. Chi ya mụ anya, o wee nweta ebe ya na ndị be ya ga-anọ (ihu 51).

Nke a bụ ka ihe si kwụrụ dị ka o si metụta ebe obidi n'oge agha. N'iduuazị *Jụọ Obinna*, ọtụtụ ndị mmadụ si obodo ha gbapụ ma gaa biri n'obodo ọzọ n'ihi agha. Lee ka odee si tinye ya: "Aga m ala n'abalị a. 'Jewe ebee?' N'ebe ndị be m gbagara ọsọ n'Ụmụnze (ihu 77)." Ụdị ọnọdụ a ka a na-ahụta ebe ọbụla a na-alụ agha. Ọbụladị ugbu a a na-ahụ agha n'ọtụtụ mba Rọshịa na Yukren na obodo ndị ọzọ. Mmebisị a na-emebisị ụlọ na-eme ka ndị bi ebe ahụ gbaa ọsọ gbaghaa ebe obibi ha ma nwee nsogbu ebe ha ga-ebi.

v. **Inweta ihe oriri na ka e si enweta ya:** Ka ihe siri kwụrụ n'oge agha dị ka ihe jọgburu onwe ya agha bụ, inweta ihe oriri na-esi ike n'ihi na ebe niile na-anọ n'ọgbaaghara. O nweghị onye ga-apụ apụ ma ọ bụ gaa ụlọ ebe ọ kọnyere ihe n'ala tupu agha abata be ha were gbaa ọsọ iweta ihe ọ chọrọ. Lee ka e si gosi ya n'iduuazị *Isi akwụ dara n'ala*: "Chike nọ na-ele ihe oriri dị na be ya anya ka ọ na-agwụ, ma nchekwube adịghị maka ebe a ga-esi nweta ọzọ" (ihu 37).

Agụụ nyụrụ ndị mmadụ ịkpakwụ n'oge agha n'ihi enwetaghị ihe oriri etu o kwesịrị dị ka e zipụtara n'akwụkwọ *Isi akwụ dara n'ala* e ji mee nchọcha a ebe a sị: "Onye ị hụrụ, ọ dị gị ka agụụ a ga-egbu ya tupu chi efoo. Ma ị pụta n'ụtụtụ echi, o buru ụzọ kelee gị, nke gosiri na ọ ka nọ ndụ" (ihu 89).
Agha mere ka ọtụtụ ndị mmadụ rịa ọrịa dị iche iche tụmadị ọrịa kwashịọkọ agụụ na-ebute n'ihi ahụghị nri ha ga-eri nakwa ụkọ nnu. Ọtụtụ bụkwa ndị nwụrụ anwụ n'ihi ahụghị ihe ha ga-eri.
Agụụ mere ka otu nwoke e jidere dị ka e gosiri n'akwụkwọ *Jụọ Obinna* ghara inwe ike ịkwụ ọtọ. Lee ka odee akwụkwọ a si tinye ya: "Ọdịda ka nwoke ahụ dara, maka na iwu e nyere ya adịghị ire, agụụ, ịda mba na ike gwụrụ ya ekweghị ụkwụ ya abụọ esi ike n'ala" (ihu 49). Otu ka ihe si agbata akwụrụ n'ebe niile a na-alụ agha. Ọ bụ ọnọdụ dị otu a na-eme na ndị obodo

dị iche iche na-enwe omiiko ma na-atụkọta ma ihe oriri ma ọgwụ na-ebugara ndị nọ n'agha iji nyere ha aka ma belata agụụ.

vi. **Ka e si ahụtazị ụmụnwoke**: Ka ihe siri kwụrụ n'ọtụtụ ezinụụlọ, obodo na mba n'oge agha, a na-ahụta ụmụ nwoke dị ka ndị amaghị ihe ha kwesịrị ịrụ. Ọtụtụ ụmụ nwoke hapụrụ ọrụ ma ọ bụ ahịa ha na-azụ n'ihi na agha mere na e jighịzị anya ahụ ụmụnwoke. Nwoke ọbụla ahụ zuru oke ma bụrụ okorobịa ka a na-enwude, nye ọzụzụ kwam kwam ma kpụpụ ya n'ihu ọgụ ebe ọtụtụ n'ime ha na-anwụ. Mana, ụfọdụ ndị na-esi ọnwụ pụwa ịchọ ihe ha na ndị be ha ga-eri nke mewere ya mewe. N'akwụkwọ *Isi akwụ dara n'ala,* lee ka e si gosi ya: "Nna ha pụta ụtụtụ, ha apụwa n'ahịa Amawbia ka ha mara ma o nwere onye ha ga-eburu ibu ga-enye ha ego" (ihu 31). Nna ha n'ebe a na-ekwu maka Chike, di Ada ma bụrụ nna Chukwuma na Ọbịanuju.

Nsirikwụrụ n'oge agha mere ka Chike bụ bu ọgaranya bụrụzie ogbenye n'ihi na ego o nwere na bankị erughịzị ya aka. Ada enweghịzị ihe o ji di ya kpọrọ, nke a mere ka ọ hapụ ya na ụmụ ha gaa biri naanị ya ka ya na ndị enyi  ya ndị amị nwee ike na-ahụrịkọta etu o siri masị ha. Ada mere nke a n'ihi na o nweghịzị ihe ọ na-enweta n'aka di ya bụ Chike kemgbe agha ji malite. Chike bụzị nkịrịka mmadụ n'anya ya bụ Ada n'ihi na ihe na-esiri ya ike. Nke a mere na Ada na-agwazị di ya, Chike okwu otu o si masị ya ma na-akparịkwa ya. Ọmụmaatụ mkparị Ada nyere Chike di ya dị ka odee zipụtara ya n'akwụkwọ *Isi akwụ dara n'ala*: "Asị m di bụrụ ụdị nke mụ na gị nọ ebe a na-alụ, di gbakwaa ọkụ. Ihe a o kwuru sụchiri Chike ntị" (ihu 87).
Ka ihe si gbata kwụrụ oge agha, ọtụtụ ụmụ nwaanyị nọga na di kpara ụdị agwa a Ada kpasoro Chike di ya.

vii. **E nweghị ihe e ji ebi ndụ:** Agha na-eme ka ndị mmadụ ghara inwezị ihe ha ji ebi ndụ dị ka ụgbọala, redio, tiivii, kụlọọkụ, wọọchị, akwa ndina, ego na ọtụtụ ngwongwo e ji ebi ụlọ. Ụfọdụ na-ere nke ha gotere mgbe ihe dị mma ere ka ha wee nweta ego ha ga-eji na-eri nri bụ ihe kachasị dị mkpa mgbe a na-alụ agha. Ụfọdụ na-agbahapụ nke ha bụ ihe ndị ahụ e ji ebi ndụ ebe ha bi mgbe ha na-agba ọsọ agha. N'akwụkwọ *Isi akwụ dara n'ala*, Chike rere redio ya dị ka e gosiri n'ihu akwụkwọ 41 – 42 ka o wee nweta ego zụta ihe ya na ezinụụlọ ya ga-eri. Odee si otu a zipụta ya: "Chike nwere redio ma o nweghị ego ọ ga-eji na-eri ihe. Nke a adịghị ịtụfụ oge, Chike duuru Obi gaa na be ya. Obi zụụrụ ezigbo redio ya, para ego a na-achọ achọ sụsara Chike" (ihu 41 - 42).

**Ọghọm na uru agha na-eweta n'obibi ndụ ndị mmadụ**

Ihe ọbụla na-eme n'ụwa na-enwerịrị uru na ọghọm na-eso ya. Mana ọ bụ ka ihe a na-ekwu maka ya dị ga-ekwu ma ọghọm ọ karịrị uru ka uru ọ karịrị ọghọm. N'isiokwu a bụ 'Agha', ka e buru ụzọ tụlee ọghọm n'ihi na ọ nọ ọdụ ka ọghọm ọ karịrị uru maka na ihe ọjọọ na-eso agha nke ukwu.

**Ọnwụ**: N'oge agha, ọtụtụ mmadụ bụ ndị a na-egbu egbu, ụfọdụ ka agụụ gụgburu n'ihi na ha ahụghị ihe ha ga-eri. Agha na-eme ka ọtụtụ ezinụụlọ mụtara ụmụ gbara aka nwa na ọtụtụ ihe ndị ọzọ. Ọtụtụ ụzọ ka e si egbu mmadụ n'oge agha. Ụfọdụ ka e ji egbe agbagbu n'ihu ọgụ, ụfọdụ ka ogbunigwe na-egbu, ụfọdụ ka ụgbọelu na-atụ bọmbụ na-egbu. E zipụtara ihe ndị a niile n'akwụkwọ e ji me nchọcha a.

**Esemokwu**: Esemokwu so n'otu ọghọm agha na-eweta n'obidi ndụ ndị mmadụ. Chike na Ada sere okwu oge agha n'ihi ihe nhịaahụ. Mgbe Ada hụrụ na di ya bụ Chike enweghịzị ego ọbụla, o bidoro biwe ndụ etu o siri masị ya. Ọ naghịzị enye di ya nri n'ihi na ọ bụ ya na-ewetazị ego ha ji eri nri. Ada wee bụrụ ngwongwo ya lakwuru

ndị amị. Otu a ka e si tinye ya: "Ada wee baa n'ụlọ buru akpa ya zọpụ ije. Ọ dịghị onye maara ebe ọ na-aga. Ma otu ihe doro ha anya bụ na o jewela be enyi ya ọzọ" (ihu 158). Ọ na-enwe ụmụ nwaanyị ndị na-akpa ụdị agwa a Ada kpara ma ihe dagharịala ha ọkachasị n'oge agha.

**Ịgba alụkwaghịm:** Agha mere ka Chike gbaa Ada alụkwaghịm mgbe ọ laghachiri ka ọ rịọ ya mgbaghara ka agha bichara. Ada laghachiri rịọ Chike ka ọ nabatakwa ya dị ka nwunye ya ọzọ mgbe o bichara ndụ ya ka o si masị ya dị ka ọ dị n'ihu akwụkwọ narị abụọ na atọ, ọ sị:

> Mgbe ha niile nọ n'ụdị ọnọdụ a na-eri oriri, ha nụrụ aka a kụrụ n'ụzọ, Chike wee chee na ọ bụ otu onye n'ime ndị ọ kpọrọ oriri, wee sị, 'Batawa'. Chike nwa Jideọfọ nọ na be ya. Ụzọ meghere, otu nwaanyị sụ nkịrịka akwa goro egoro ka ndị mmụọ wee gobata na be ya, kwụrụ n'ọnụ ụzọ ka onye a na-achụ ọsọ. Chike amaghị onye batara, sị ya bịa nọrọ ala, ma egwu ekweghị onye ahụ ejegharị. Chike wee mụrụ ọkụ ruo nwaanyị ahụ nso, hụ na o ku nwa n'aka. Chike wee sị ya "Nne onye ka ị chọtara?" "Chike ọ bụ m bịara". " Gị bụ onye?" "Ada"! Chike seere ihu ya n'ike nke bụ na ọ fọrọ ntakịrị ka ọkụ o bu n'aka danahụ ya. …. Chike mabuuru onwe ya dapụ n'ọchị. Ndị niile bịara oriri na be ya nọ na-ele ya n'anya, chere na ọ bụ mmanya na-egbu ya. Ọ chịkata ọchị, o tie, "Di gbakwaa ọkụ".

Chike chetara mkparị, akaje na agha niile Ada busoro ya wee sị na ya agaghị alụkwa ya ọzọ. Agha mere ka ndị ezinụụlọ Chike, ụmụ ya, nne ya, na nwanne ya nwoke bụ Okechukwu hụta Ada dị ka ajọ nwaanyị. Ọ bụladị ndị agbataobi na ndị nọ n'akụkụ ele ihe na-eme n'ezinaụlọ Chike ga-ahụtakwa Ada dị ka ajọ nwaanyị. Ụmụ

nwaanyị ụfọdụ anaghị ebudonwu ihe isi ike. Ọ bụ n'ụdị oge a ka e ji amata nwaanyị hụrụ di ya n'anya nakwa nwaanyị anya dị n'iro. Oge ihe na-agara ha nke ọma, omume ọjọọ ha anaghị ese elu dị ka a hụtara na ndụ Ada.

**Ụmụ nwaanyị ịgba n'ezi:** Agha na-eme ka ọtụtụ ụmụ nwaanyị na-agba n'ezi n'ihi oke ọchịchọ na agụụ. Ada hapụrụ di ya bụ Chike gbakwuru ndị Amị dị ka ọ dị n'akwụkwọ *Isi akwụ dara n'ala*: "Akụkọ si n'elu na-abịara Chike na nwunye ya nọ na di ma ọ kaghị akwụna mma. Ndị maara Chike na-akọrọ ya na ebe nwunye ya na-apụkarị ọrịrị ugbu a bụ n'ogige ndị amị" (ihu 79).
Ka ihe si kwụrụ n'oge agha na-ebutere ụfọdụ ụmụ nwaanyị ịgba n'iro. Ọtụtụ ụmụ nwaanyị na-agba n'iro n'oge agha n'ihi na ndị di ha anọghị n'ụlọ. Ụfọdụ ụmụ nwoke ndị ụzọ mechibidoro ịlọtakwute ndị be ha na-ebute na ụfọdụ ndị nwunye ha na-agba n'ezi. Ọzọ ụmụ nwaanyị ndị di ha jere n'ihu ọgụ ma a naghị anụzị olu ha na-ebutere ụfọdụ ndị nwunye ha iche na di ha adịghịzị ndụ nke nwere ike ibutere ha ịgba n'ezi.

**Ndị mmadụ arụghị ọrụ ma ọ bụ emeghị ihe ha kwesịrị ime**

A hụtara Obinna dị ka onye amaghị ọrụ ya n'ime akwụkwọ *Jụọ Obinna*. Tupu agha ebido, Obinna na-etu ọnụ na ọ ga-eme nke a na nke ọzọ ma ọ banye amị. Ma ka ihe si kwụrụ oge agha bidoro, Obinna na-ezogharị ka ọ ghara ịba amị, nke na o jere be dibịa a na-akpọ Onyido ka ọ gwọọrọ ya ọgwụ ga-eme ka ndị soja na-enwude ndị nwoke a na-akpụga n'ọgbọ ọgụ ghara ijide ya. E si otu a gosi ya: "Aga m agwọrọ gị nke ọ ga-abụ ị gaa n'ihu ọgụ, mgbọ agaghị atụta gị, shel agaghị na-adedebe n'akụkụ ebe ị nọ" (ihu 9). Ọ bụ eziokwu na Obinna chọrọ ọgwụ nke ga-eme ka a ghara ijide ya chaa chaa maka ka ihe si kwụrụ, Onyido gwara ya na ọ ga-agwọrọ ya ọgwụ nke ga-eme e jidegodu ya kpọpụ ya n'ihu ọgụ ka mgbọ ghara ịtụ ya

nke shel ga-ji adadebe ebe ọ nọ. Onyido gwara ya nke ya n'ihi na o siri ike izetanwu ka ndị amị ghara inwude ya. Nke a bụ ka ihe si kwụrụ n'oge agha Bịafra na Naịjirịa.

Ọgwụ ahụ a gwọọrọ ya enweghị isi, mana e mechara site n'enyemaka otu enyi ya nwoke bụ kaptịn Emeka nyeere ya, nweta ọrụ n'ebe a na-ere mmanụ ụgbọala. Mana ya na otu enyi ya nwoke a na-akpọ Ikechukwu mechara mịwa mmanụ ụgbọala ahụ ha kwesịrị ịna-eresị ndị mmadụ na-ere n'ohi nke mere na ọ nọteghị aka n'ọrụ a. Otu ụbọchị, ụgbọelu bịara tụchaa bọmbụ, ụmụ mmadụ gbasachaa, Obinna na Ikechukwu chọrọ iji ohere ahụ mabụrụ otu galọnụ mmanụ ụgbọala mana bọmbụ ụgbọelu agha ahụ tụdaburu agbawaghị oge a tụrụ ya gbawara wee gbuo Ikechukwu ma merụkwa Obinna ahụ. E bugara ya ụlọ ọgwụ. Ọ nọrọ n'ụlọ ọgwụ ahụ mụta etu ndị dibịa oyibo sị edenye ndị soja akwụkwọ ikike ezumike a na-akpọ "paasị". Ihe ndị a niile bụ ka ihe si gbata kwụrụ oge agha. Ihe ọbụla pụtara, e mewe ya. Ọ bụ nke a ka Obinna na-arụzị were na-anakọta ndị soja ego.

Otu ụbọchị aka kpaara ya, nke a mere ka a kpụbaa ya n'amị. Obinna bụ onye aghụghọ bụrụkwa onye ụjọ. Nke a mere ụmụ okorobịa ibe ya jiri gaba amị ịrụ ihe ha kwesịrị ịrụ, ọ nọrọ na-ezogharị n'ime obodo. Onyido bụkwa onye aghụghọ n'onwe ya. Nke a pụtara ihe oge ọ tụpụtara atụmatụ ya na Obinna ji nwee ike ịmịpụta n'ihu ọgụ ma gbanahụ ndị soja ndị ọzọ. A makwaara ya dị ka onye aghụghọ na dibịa na-agwọrọ ndị achọghị ije agha ọgwụ. Mmịgharị, ịgwọ ọgwụ ịgbanahụ ije n'ihu ọgụ na aghụghọ dị iche iche iji chekwawa ndụ bugarị nsirikwụrụ e nwegasịrị oge agha.

N'*Isi akwụ dara n'ala*, Ada arụghị ihe kwesịrị ka ọ rụọ. Ọ maghị ọrụ ya dị ka nne ọ bụ. Na mbụ, Ada hapụrụ ezinụụlọ ya gaa biwe ndụ ya etu ọ masịrị ya, busowe di ya bụ Chike agha (ihu 78). Nke a malitere mgbe ihe bidoro gbanwewe ebe Chike nọ. Ada wee chefuo mgbe ihe dị mma Chike na-eleta ya anya. Oge Chike nwere ego, ọ

na-emere Ada ihe ọ chọrọ ma hụkwa na obi na-adị ya mma. Ọ naghị ekwe ka nri kọọ n'ezinụụlọ ha. N'eziokwu, o nweghị ihe na-akọ ha n'ezinụụlọ ha. Ọ kwụsịrị Ada ọrụ maka na o zuru ka e mee. Nke a mere na Ada bụ sọ ịnọ n'ụlọ, sie ihe oriri, lekọtakwa ụmụ abụọ ha mụtara anya (Chukwuma na Obianuju). Ọ bụ mgbe ihe malitere siwere Chike ike ka Ada bidoro nupuwere Chike isi ma chezọọ na ọ bụ Chike nyere ya ego o jiri bido ahịa ahụ.

Mgbe Chike nyere Ada (nwunye ya) ego ahụ ka o were bido ahịa, o chere na ọ ga-ewere uru si na ya na-elekọta ezinụụlọ ha, hụkwa na ọ ga na-eweta ihe oriri ha ga na-eri ma Ada amaghị ihe ndị a. Ọ maghị ọrụ ya dị ka nne nakwa nwaanyị a na-alụ alụ n'ezinụụlọ. Ọ bụ amaghị ọrụ ya n'ezinụụlọ mere mgbe ọ gara ibi na Nanka, ọ chọrọ ka ọ kpọrọ Chukwuma na Obianuju ma ha ekweghị (ihu 88). Nke a pụtara na ụmụaka a matara na omume nne ha na-emeso nna ha bụ Chike jọgburu udele ma sigbuo nkapị n'isi. Mgbe Ada na-eme ihe ndị a niile ọ maghị na ihe ga-emechakwa dịkwara Chike mma ọzọ. Ọ bụrụ ya bụ na ọtụtụ ụmụ nwaanyị na-agharịpụ. Ha ekwesịghị ntụkwasiobi. Ụdị agwa dị otu a Ada kpara bụ ụdị nsirikwụrụ a na-ahụta ebe a na-alụ agha.

Uru so n'agha bụ na ọ na-adị mma ka ihe dịkata mma, ọ dị njọ ka e wee mata ka mmadụ si akpa agwa dị ka o si pụta ihe na ndụ Ada. Ọzọ, onye ndidi na-eri azụ ukpoo, Chike tachitere obi na-ebu ibu ezinụụlọ ha nwunye ya hapụụrụ naanị ya ma mechaa nwee mmeri n'ikpeazụ. O nweghị ihe mmadụ ga-emenwu were chọta ihe ya na ezinụụlọ ya ga-eri kwesịrị ime ya ihere. Chike n'agbanyeghị nnukwu mmadụ ọ bụ tupu a lụwa agha, emeghị ya ka ihere ịrụ ọrụ ọbụla iji nweta ihe ya na ezinụụlọ ya ga-eri mee ya. Ọ na-apụ ahịa eburu ndị mmadụ ibu iji chọta ihe ha ga-eri.

Agha mere ụfọdụ dara ogbenye ha bụrụ ọgaranya, mee ụfọdụ ha mara na ndidi amaka, mee ụfọdụ ha mara ka e si ezere nsogbu na ihe

ndị ọzọ. Ọ bụ otu ihe si gbata kwụrụ ga-egosi ihe a ga-eme ka ụbọchị were na-aga.

**Nkuzi Ndụ Isiagwa Ndị Pụtara Ihe n'Iduuazị Ndị a Họọrọ Nye Ọhanaeze Maka Obibi Ndụ Ha**

A bịa n'akwụkwọ agụmagụ *Jụọ Obinna*, agwa Obinna bụ ihe nkuzi nye ọtụtụ mmadụ tụmadị ụmụ okorobịa n'ihi na ọ ga-eme ka ndị mmadụ mata na aghụghọ adịghị mma n'ihe ọbụla a na-eme. Nke a pụtara ihe n'ọrụ Obinna rụrụ dị ka soja. Ọ bụ mmịgharị ka Obinna migharịgidere tutu agha ebie. Ndụ Obinna kuziri ọtụtụ ihe nye obibi ndụ ndị mmadụ. Oge o si n'ihu ọgụ gbaa ọsọ gbalaa Owere Ezukala, o weere akara kaptịn mado n'uwe ya iji na-anara nsọpụrụ n'aka ndị soja dị ka ọ dị ebe a: "Ma uwe ọ sụ, ma akpụkpọ ụkwụ o yi, ma kaptịn ọ madoro onwe ya n'ubu, na okpu ndị ọchị agha o kpu bụ nwa okorobịa ahụ ọ hụrụ mgbe ha na-eri ihe abalị wetezuuru ya ha" (ihu 92). Ndụ Obinna oge agha ahụ bụ ndụ ntụ na aghụghọ. O nweghị mgbe o biri ndụ ihe ọ bụ kama ihe ọ bụghị.

A chọpụtara na oge ọbụla Obinna nọ na nsogbu na ọ bụ aghụghọ ka o ji agbara onwe ya. Nke a emeghị ka aghụghọ bụrụ ezi ihe maka na a na-emecha chọpụta eziokwu nke na-etinye ya na nsogbu.

Ndụ Ada n'iduuazị *Isi akwụ dara n'ala* kuziri ọtụtụ ihe wee nye obibi ndụ ndị mmadụ n'ihi na ọ bụghị onye ọbụla maara ọrụ o kwesịrị ịrụ n'ezinụụlọ ya ma ọ bụ n'obodo ya. Ọ bụrụ na Ada maara ọrụ ya dị ka nne, nwunye, nwunye nwa na nwunye nwanne, ọ gaghị ahapụ ezinụụlọ ya gaa biri nke ya. Mgbe Ada na-eme ihe ndị a niile, o chere na ihe ụwa ga-adịgidere ya etu ahụ, ma ọ maghị na ihe nwere mbido na-enwekwa njedebe. O kwesịrị na mmadụ ga-ama ọrụ dịịrị ya dị ka nne ma ọ bụ nna, tinyere okorobịa ma ọ bụkwa agbọghọbịa. Nke a ga-emekwa ka ndị mmadụ mata na ọ bụghị naanị otu onye ka ọrụ ezinụụlọ ma ọ bụ obodo dịịrị. Ọ ga-abụkwa ihe nkuzi nye ndị

obodo anyị bụ Naịjirịa na kwa ndị mba ụwa gbaa gburu gburu. Ọ ga-emekwa ka ndị mmadụ mata na ihe ụwa anaghị agacha otu anyị bụ mmadụ si chee n'ihi na Ada chere na agha agaghị ebi ebi mgbe ọ na-emesi di ya ike.

**Ọnọdụ Agha Nwere Ike Iweta na Ndụ Mmadụ**

Agha na-eweta mbibi nakwa ịla ndụ n'iyi. Ọ na-eweta ọtụtụ ọrịa dị iche iche nakwa oke agụụ dị ka ọ dị n'ihu akwụkwọ iri atọ na abụọ. Agha na-eme ka onye nwere ego daa bụrụ onye na-arịọ nri dị ka ọ dị na ndụ Chike n'akwụkwọ *Isi akwụ dara n'ala,* ihu akwụkwọ iri asaa na asaa. Chike bụ ọgaranya a maara nke ọma, ma oge agha bidoro, ihe malitere siwere ya ike nke mere na o bidoro rewe ihe ndị o nwere dị ka akwa ya nakwa redio ya ka o wee nwee ike ịzụta nri ya na ezinụụlọ ya ga-eri.

N'oge agha, ụmụ nwoke anaghị apụta na-agagharị. Ha na-ezogharị ka a ghara ịkpụba ha n'amị. Nke a mere na ha anaghị apụta gagharịa, chọọ ihe ha ga-eme wee nweta ego. Ọ bụ ya mere Chike ji gaa rịọ Ada nwunye ya ego nri mgbe ọ hapụrụ ya na Chukwuma na Obianuju gaa biri nke ya na Nanka. O mere nke a n'ihi oke agụụ na ihe isi ike n'agbanyeghị omume Ada na-emeso ya oge ahụ dị ka ọ dị n'ihu akwụkwọ otu narị na iri abụọ (page 120).

Agha mere ka a hụta Chike dị ka onye ndidi, onye dị ike ma na-agbakwa mbọ. Ọ bụkwa onye anaghị ebuli onwe ya elu ma bụrụ onye ihere ịrụ ụdị ọrụ ọbụla iji nweta ihe ọ chọrọ bụ ezi ihe anaghị eme.

Agha mere ka Ada nwunye Chike gbakwuru ụmụ nwoke ndị amị n'ihi na o chere na ọ bụ ebe ahụ ka ọ ga-enwe ezi nchekwaba na di ya agaghị na-etinyere ya anya. Ọzọ na ọ ga na-erikwa ihe ahụ ya chọrọ. Echiche ndị a mere o jiri hapụ di ya na ụmụ ya abụọ pụọ gaa biri nke ya.

Agha mere ka a hụta Obinna n'iduuazị *Jụọ Obinna* dị ka onye ụjọ, onye na-etu ọnụ, onye aghụghọ na onye wayo n'ihi na mgbe agha na-amalite, Obinna na-etu ọnụ ihe ọ ga-eme. Ma mgbe agha malitere, Obinna nọ na mmịgharị tutu agha ebie. Nke a mere ka Obinna ghara ịrụ ọrụ ya dị ka nwoke n'ihi na o nweghị mgbe ọ gara lụọ ọgụ iji chekwa obodo ha na ndị bi n'ime ya.
Agha mekwara ka a hụta Onyido dị ka onye wayo nakwa onye aghụghọ n'ihi na ọ bụ ya tụpụtara alo ya na Obinna ji nwee ike ịmịpụ n'ihu ọgụ. A makwaara ya dị ka dibịa na-agwọ ọgwụ n'ihi na ọ bụ ya ka Obinna jekwuru ka ọ gwọọrọ ya ọgwụ ka a ghara ịkpụba ya amị. Ọzọ, ọ bụ onye ọgwụ ya anaghị adị ire maka na ọgwụ ọ gwọrọ egbochighị inwude ha ma kpụba ha amị.

**Nchịkọta**

Site na nchọcha e mere, a chọpụtara ihe dị iche iche. A chọpụtara ụzọ dị iche iche ka ihe siri kwụrụ n'oge agha siri metụta obibi ndụ ndị mmadụ dị ka enweghị udo, oke ịta ahụhụ, agụụ na mgbasa. Agha na-etisa ọtụtụ ezinụụlọ dị ka ọ pụtara ihe na ndụ Ada onye bụ isiagwa n'*Isi akwụ dara n'ala*.
A chọpụtakwara na agha na-eweta ọtụtụ ọghọm n'obibi ndụ ndị mmadụ n'ihi na agha na-eme ka mmadụ ọbụla nọrọ na nhụju anya na egwu mgbe ọbụla. O na-eme ka ọtụtụ ndị mmadụ na-arịa ọrịa dị iche iche n'ihi na ha anaghị ahụ nri. N'ihi nsogbu so agụụ, ọtụtụ mmadụ amaghịzị ihe bụ nsọala. Nke a pụtara ihe n'ụdị omume ọjọọ pụtara ihe na ndụ Ada. Agha na-eme ka ọtụtụ ezinụụlọ na-enwe ihe mgbu dị iche iche n'ihi oke agụụ na ọtụtụ ọrịa dị ka kwashịọkọ. N'ezie, agha abụghị ihe mmadụ kwesịrị iche n'echiche ma ya fọdụkwa ịnọ na-ahụ ya anya.
A chọpụtakwara na agha na-eme ka obodo na obodo ghara ịdị n'udo. Agha na-eme ka ụfọdụ bụrụ ndị enweghị nne na nna. Ọ na-emekwa ka ụfọdụ ụmụ nwaanyị gbara aka di, n'ihi na e gburu di ha mgbe a

na-alụ ọgụ. N’otu aka ahụ, ụfọdụ ụmụ nwoke bụkwazị ndị nwoke ibe ha naara nwunye ha n’ike. Ọ bụ ihe ndị a na-eme agha ji bụrụ ọghọm nye onye ọbụla.

**Ntụnye alo**

Na nchọcha nke e mere site n’akwụkwọ abụọ Ubesie dere nke gbadoro ụkwụ na nsirikwụrụ n’oge agha n’obibi ndụ ndị mmadụ, a kọwara na ọ bụ ọghọm jupụtara n’agha na uru dị n’ime ya pere mpe. Nke a pụtara na agha adịghị mma. Mmadụ ekwesịghị ịrọta ya na nrọ ma ya fọdụ icheta ya n’echiche. Nwanchọcha na-atụ alo na ọ ga-adị mma ma ọ bụrụ na ndị ọchịchị ga-eleba anya ma nyekwa aka gbochie ihe ọbụla ga-ebute agha n’obodo anyị bụ Naịjirịa ma ọ bụ na mba ụwa ndị ọzọ. Ndị bikwa n’ime obodo dị iche iche kwesịrị ka ha biri n’udo ma zeere ihe ọbụla ga-ebute agha maka nsogbu so agha dị ọtụtụ.

**Mmechi**

O nweghị uru ọbụla agha bara na ndụ mmadụ n’ihi na ọ na-ebute oke mbibi na ịla n’iyi. Ọ na-eme ka ezinụụlọ kewaa. N’akwụkwọ agụmagụ nwanchọcha jiri mere ihe nlere anya nke isiokwu ya bụ “Nsirikwụrụ n’obibi ndụ ndị mmadụ n’oge agha”, isiokwu a gbara elu na ha. Nwanchọcha ji ohere nke a wee na-adụ ọtụtụ ndị mmadụ ọdụ na-asị na ọ bụghị naanị otu onye ka ọrụ ezinụụlọ dịịrị dị ka ọ dị na ndụ Ada. Mgbe ihe malitere siwere di ya ike, o bidoro gbanwee omume ya site n’ibuso di ya agha. Ọchịchị dịzị ya n’aka n’ihi na ụmụ nwoke anaghị apụta ezi, ha na-ezogharị ka a ghara ịkpụba ha n’amị. Ọ bụ ụmụ nwaanyị nwere ike ịpụta gaa chọta ihe ha na ezinụụlọ ha ga-eri. Nke a mere Chike ji nye Ada ego ọ ga-eji bido ahịa mgbe Ada gwara ya maka nke a. O chere na ebe ya enweghị ike ịpụ ga rụọ ọrụ ma ọ bụ chọta ihe ya na ezinụụlọ ya ga na-eri na Ada

nwunye ya ga na-emezị ihe ndị a n’aha ezinụụlọ ha mana Ada emeghị otu ahụ.

Ọ dịghị mma mmadụ ịgba ajọ maka na ọ bụrụ na Ada bụ ezigbo mmadụ, ọ gaghị na-ebuso Chike agha ma ọ bụ hapụ ya na ụmụ abụọ ha mụtara sogharịwa ndị amị. Ọ bụ enweghị ịhụnanya kpatara obodo na obodo ji ebuso onwe ha agha. Mmadụ ibi ndụ n’ụjọ adịghị mma. Itu ọnụ anaghị enye aka na ndụ dị ka nke a pụtara ihe na ndụ Obinna. Obinna bụ onye ụjọ, onye aghụghọ na onye na-etu ọnụ. Nke a na-eme ka mmadụ ghara inweta ihe o kwesịrị inweta ma ọ bụ mee ihe kwesịrị ka o mee n’ezinụụlọ, n’obodo ma ọ bụ n’ala anyị gbaa gburugburu.

Na mmechi, ihe ndị a niile so agha dị ka a hụtara ya n’akwụkwọ Ubesie abụọ e ji mee nchọcha bụkwa ihe na-eso agha na mba ụwa ndị ọzọ n’abụghị sọ n’agha Bịafra na Naịjirịa. Ma nsogbu na-eso agha mba ndị ọzọ nwere ike dị iche na nke anyị n’ihi ka ndị si ebi ndụ nakwa ka mmepe bịarala na mba ndị a ha.

## Edensibịa

Gandhi, M. K. (1927). *An Autobiography or The Story of My Experiments with Truth*.

Nnọruka, C.,Nwankwo, O. na Okechukwu, S. (2009). Nzipụta agha dị ka ọ dị n’iduuazị ndị a họọrọ. B.Ed Project, Department of Igbo and other Nigerian Langauges, Nwafor Orizu College of Education, Nsugbe.

Obuka, A., Odoh, O. na Ekwemba, C. (2021). Agha n'obibi ndụ ndị mmadụ n'*Isi akwụ dara n'ala* na *Jụọ Obinna* nke Tony Ubesie dere. B.Ed Project, Department of Igbo and other Nigerian Langauges, Nwafor Orizu College of Education, Nsugbe.

Richard, J.C. (2003). *Communicative language of teaching today*. Singapore: Cambridge University press.

Ubesie, T. U. (1977). *Jụọ Obinna*. Ibadan. University Publishing Company.

Ubesie, T. U. (1996). *Isi akwụ dara n'ala*. Ibadan. University Publishing Company.